# Mmụta site na egwuruegwu na ụlọ akwụkwọ ụmụ aka

Gịnị bụ egwuruegwu? Egwuruegwu na abịara onwe ya n'ebe ụmụaka nọ dịkwa mkpa na mmụta ụmụaka na uto na ịmata onwe ha. Egwuruegwu di ụdị n'ụdị, na abị n'ụdị dị iche iche, n'ime ụlọ na n'ezi, nwekw'ike igbasa otu onye ma ọ bụ otụtụ, nwekw'ike ịdi ịda ụda ma o bụ nwayọ, nwee ihe nkọwa na uru nye ndi so negwuruegwu ahụ, na ebute ntụgharị uche na ezigbo uru na ọṅụ.

*"Egwuruegwu na enye ụmụaka ohere ịmụta dịka ha na achọpụta, n'eme nka, na emepụta ihe na ntụgharị uche. Egwuregwu n'enye nkwado gburuguru ebe umụaka nwere ike ịjụ ajụjụ, dozie nsogbu na sorokwa na ntụgharị uche dị omimi. Egwuruegwu nwer'ike ime ka echiche ụmụaka bawanye ụba ma mekwa ka mmụọ ịma na mmụta bawanye ụba n'me ha."* (EYLF, 2009 p. 15)

Nchọpụta n'ụwa nile egosila na ụmụaka na amụta ihe na emekwa nke ọma ma ha soro na egwuegwu nwere mmụta n'ime ya site na ihe ha ma.

Ndi nkuzi na akuzi n'ụlọ akwụkwọ ụmụaka dịka; ọta akara, ebe nlekọta ụmụaka ukwu, ndi na elekọta ụmụaka n'ụlọ ha na ndi nlekọta ụmụaka mgbe agbasara akwụkwọ, na ahazi usoro nkuzi g'enyere nwatakịrị ọbụla aka ihe onwere









mmasị na okwesịrị inweta. Ndi nkuzi n'eme nkaa site n'inye ụmụaka ọtụtụ ihe egwuruegwu banyere ihe ha ma n'ụlọ mmụta ghere oghe, ebe ụmụaka nwere ike ịgagharị n'enweghị nsogbu ọbụla n'etiti ohere ime ụlọ na ezi.

Ndi nkuzi na eji usoro nkuzi dị iche iche iji kwado ụmụaka inwe ịhụnanya na ihe ọmụmụ, idi uchu, ịjụ ajụjụ na inwe mmasị n'ụwa nke ha na ndi ha ga ezute. Site na egwuregwu ụmụaka nwere ike iche echiche, ibụ onye ọzọ, rụpụta, chọpụta, nyopụta, kọọ akụkọ, jụọ ajụjụ, kwuo okwu, gee ntị, nwee mmetụta, metụ aka na shite ihe n'imi. Egwuregwu n'eweta nkwekọrita, ihazi nsogbu, ime ihe mmerụ ahụ, ịnwa ihe ọhụrụ, ịhu ka ihe si arụ ọrụ. Ha ga amụta ihe banyere onwe ha na ndi ọzọ mụta usoro egwuruegwu, mee enyi, meta ndi enyi ma ntụkwasị ndi nọ ha na akụkụ obi, ndi nkuzi na ụmụaka. Egwuregwu na enye ụmụaka ohere ịkpọ oriri, inweta, ida, ịga n'ihu, ime ihe n'ezighi ezi, igbalị, nwalee ozi ọhụrụ ma ọ bụ nka, nwee nchepụta ma mụtakwa nka na mmụta ọhụrụ.
Egwuruegwu ndi nkuzi na ahaziri ụmụaka n'ime ụlọ na n'ezi nke enwere ike ịtụwa anya ha bụ ndia: ihe osise, ịcha ihe na iji sizọsụ gluu ịnypado ihe, site n'iji ihe ndi arụgharịrị, iji nkume ịrụ ihe, ihe egwuruegwu eji arụputa ihe, egwuregwu njikọ ọnụ, egwuruegwu na adịchaghị ọcha,ihe otite eji mkpịsị aka ete, igwu aja ụrọ, isi ihe egwuruegwu na aja, ihe akpụrụ akpụ, igwu egwuruegwu dị iche iche, ịbụ onye ọzọ, ijikere, ihe akpụrụakpụ, ite ihe otite, ịkụ ihe, ịgba egwu, ịgụ egwu, ịrị elu, ịwụli elu, ịgba osọ, iteli elu, ige nti na akụkọ ana akọ na asụsụ bekee na asụsụ ndi ọzọ, ịkọ akụkọ, egwuruegwu na mmụọ, ịgụ akwụkwọ, egwuruegwu mmiri, ịkọ ubi na ọtụtụ ihe ndi ọzọ.

Egwuruegwu dị mkpa mak umụaka nile, ọ n'enyere ha aka imata ụwa ha na ịga nịmata onye ha bụ. Ụmụaka mgbe ụfọdụ n'egwuriegwu n'onwe ha, ya na otu nwatakịri ma ọ bụ abụọ na egwuruegwu nọgbakọ ntakịrị ma ọ bụ ọgbakọ ukwu ụmụaka. Egwuruegwu nwere ike inwe ụzụ ma ọ bụ nwanyọ, enweghị mkpụrụ okwu ma ọ bụ nwee mkpọtụ.

Egwuruegwu n'enye uto mee ka obi sie ụmụaka ike, meekwa ka akwara ukwu na nke nta sie ike, nyekwa ha uto nke nchịkwa.

Ụmụaka n'eji echiche nke aka ha gosipụta ihe ha chọpụtara, dịka- ime dika ha na esi nri ma ọ bụ ilekọta nwa amurụ ọhụrụ; ibụ ndị na alụ agha mgbochi ọku ọgbụgba, dọkinta bekee; ma ọ bụ onye nchikwa ụlọ ahịa. Nke a n'enyere ụmụaka aka ighọta ọrụ dị iche iche ndi mmadụ na arụ n'ime obodo.

Usoro nkuzi na ntuzi aka mmụta ụmụaka tupu ha ejikere nwere ike ime

ka ụmụaka hapụ inwe obi isi ike, ịla azụ, agwa n'ezighi ezi, ma ọ bụ mmụọ ọdịda. Mmụta site n'egwuruegwu n'enyere ụmụaka ịmụta ihe n'oge nke ha ma nweekwa nghọta siri ike na akara aka ha g'eji ihe ndi siri ike na ọru rara ahụ.

Mgbe ụmuaka si ebe ihe ọmụmụ ụmụaka gafee na mmalite ọta akara ha g'eji nwayọ si na mmụta egwuruegwu gafee na usoro nkuzi mmụta dị elu.

Ndi nkuzi nọ na ebe ihe mmuta ụmụaka n'eji usoro nkuzi di iche iche. Aga enwe ụfọdụ ihe ọmụmụ ana akụzi n'ebe ụmụaka anyị na-agụ akwụkwọ, nke ga adị n'usoro, dịka egwu, akụkọ na akụkọ ntụgharị uche. Na ọtụtụ oge n'ụbọchị, ụmụaka ga n'enwe mkpebi banyere ebe ha g'egwu eguruegwu, onye g'eso ha na egwuruegwu, na oge egwuruegwu ahụ g'ewe. Ndi nkuzi g'enye ha nkwado na ntụzi aka mgbe ụmuaka chọrọ enyemaka.

Ebe ọbụla ụmụaka kpebiri igwu egwu, aga enwe usoro g'enyere ha aka ịmụta ọtụtụ agwa ndi ọzọ ga anabata. Inew usoro n'enyere ụmuaka aka ịnọ n'enweghị mmerụ ahụ, ilezi ngwa egwuruewu anya ma kwado mmeso ọma na imeso onye ọbụla otu. Iji maa atu, ụmụaka nwere ike itinye iwu na usoro banyere iche oge nke ha na ihe na aga ihu na azụ (swing). Ịhapụ ụmuaka ka ha soro tinye iwu ga enyere echiche ha aka na idozi nsogbu, mkparịta ụka na akaraka mmekọrịta, na ọnụ ọgụgụ na akaraka igụ akwụkwọ. Iwu kwesịri ịdị sere sere ma dabakwa adaba na afọ n'uto nke umụaka ka ewee ghọta isi okwu.

N'ime egwuruegwu ha, ụmụaka nwere ike iwulite nghọta na echiche dị iche iche n'ụzọ ọhụrụ na usoro dị mma. Ihe ịmatụ, awụsa mmiri na elu aja dị ghara ghara, ọ ga amirị mmiri ruo mgbe aja ahụ na agaghị amaịkwa ọzọ, mgbe ahụ, mmiri ga akpụkọba onwe ha. Ụmụaka nwere ike ịgụta iko mmiri ole ga ezu ikpụta mmiri ọnụ. Nke a nwere ike iduba na mmụta di mma tinyere nchọpụta ihe omimi na mgbakọ nke eziokwu.

Ọ bụrụ ma anyị lebanye ụmụaka anya mgbe ha n'egwu egwu, anyị ga ahụ na anya n'edo ha mgbe nile, ha na eji ihụ ụzọ, inụ ihe, imetụ aka na mgbe ụfọdụ imetu ihe n'ọnụ ịmụta ihe banyere ụwa.

Ụmụaka nwere ike ime ihe ugboro ugboro, nara ọtụtụ ihe iisi ike, mmụta na ịmụ nka ọhụrụ, dika iji aka ha irigo ebe dị elu ma ọ bụ ịmụtacha ihe banyere itinye ihe ngbagwoju anya pọzụl. iji aka ha eyiri uwe ha ma ọ bụ iyiri uwe eji ese ihe, iguzosi ike n'elu osisi, iji sizọsụ achawa ihe na aka ha, ịwụ dịka awo, ma ọ bụ ịkwau onwe ha aka igwe n'ebu ha ihu na azụ bụ. Ihe nturu ugo ukwu na nta nile a bụ

nkwughachị ụgwọ nye nwatakịrị, ezi na ụlọ ya na ndi nkuzi na akwado mmụta ha.

Egwuruegwu na enye ụmụaka ohere ịjụ ajụjụ, ịmụta mkpụrụ okwu na asụsụ, ihe ọgụgụ, ọnụ ọgụgụ na nka mmekọrita. Site n’egwuruegwu, ụmuaka na amụta ụzọ nkwurịta okwu na ịkọrọ ndi ọzọ akụkọ.









Learning through play - *Igbo*

**Mmụta site na egwuruegwu**

*Incorporating Multicultural Resource Centre*

Ground Floor, 9-11 Stewart Street, Richmond, 3121
tel: +61 3 9428 4471 fax: +61 3 9429 9252
email: fkacs@fka.org.au web: www.fka.org.au
FKA Children’s Services Inc. 215663278505573